# CHINEKE UKWU NKE JEKỌB

**Aisaia 41:1-18; 42:1-8; 43:1, 2**

**IHEỌMỤMỤ 366**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Mu onwem bu JEHOVA; nke ahụ bụ aham: M'gagh enye kwa onye ọzọ nsọpurum, M'gagh enye kwa arusi di iche iche apiri api otutom" (Aisaia 42:8).**

**I Nnapụta nye Israel**

1 Jehova naakpọ mba niile nke ụwa ka ha bịarue nso, ka Ya na ha wee kpezie ihe ahụ nke dị n'etiti ha, Aisaia 41:1; Zekaraia 2:13

2 Otù Amụma eburu banyere otù onye nke agaewelite ịnapụta ndị Israel site n'orù, nke Kraist Onye gaabịa n'ọgwụgwụ ụbọchị ndịa dịka Mesaia bụ ụdị ya, Aisaia 41:2, 3; 45:1-3; Ezra 1:1, 2

3 Mmalite nke mba niile sitere n'aka Jehova, Aisaia 41:4; Deuteronomi 32:8; Ọlu Ndi-ozi 17:26

4 Mba niile tụrụegwù, mákwa jijiji, wee gbakọta n'otù ka ha wee napụta onwe ha. Otù onye ọlụ wee gbaa ibe ya ume ka ha wee mee chi ọhụụ dị icheiche iji gbochie ihe egwù nke náabịa, Aisaia 41:5-7; Joel 3:9-12

5 Jehova na agbakwa Israel ume ka ha wee ghara ịtụegwù n'ihi na Ya onwe ya gaenyere ha aka. Aisaia 41:8-14;43: 1, 2; 44:2; Joshua 1:9; Ndi Rom 8:31

6 Agaeme ka Israel ghọọ ihemkpọre ọhụụ eji azọcha ọkà, nke agaeji zọchaa ugwu niile, Aisaia 41:15, 16; 64:1-3; Maika 4:13

**II Ọhụ Nke Mesaia Ahụ Nke Náabịa**

1 Mgbe ndị ewedara n'ala na ndị ogbenye naachọ mmiri ma ọdịghị nke dị, Jehova gaakwaghe osimiri n'elu ugwu dị icheiche ọhịa náadịghị, Aisaia 41:17, 18; 35:6, 7; 43:19; 44:3; Abụ Ọma 107:35

2 Mmụọ nke Jehova gaadịkwasị Ya (Jisọs). Akọwara ụdị mmadụ Ọ gabụ, Aisaia 42:1-4; Matiu 3:17; Jọn 3:34

3 Jehova bụ́ Chineke Onye keworo eluigwe na Onye náenye ndị bi nime ya ume ha naekù agaghị enye kwa onye ọzọ nsọpụrụ Ya, Aisaia 43:5-8; Abụ Ọma 136:5-9

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ihenzuzu Nke Dị N'arụsị Dị Icheiche Apịrịapị**

Onyenwe anyị nwere ihe mmegide megide mba niile nke n'ekperearụsị nke ejiri osisi na nkumue mee. Ọ naakpọ ha ka ha bịarue nso, ka Ya na ha wee rụrịtaụka; mgbe ahụ ka O kwuruokwu banyere abaghị urù nke arụsị apịrịapị.

Otù onye naegbuturu onwe ya osisi wee were ụfọdụ nime ya funwue ọkụ. Ọ naanya kwa ọkụ site na ya were kwa ichekuọkụ ya ghee achịcha ya. N'akụkụ nke fọdụrụ n'osisi ahụ ka onyeọkà n'osisi naesetị erirri ya, ọ naewere pensil kaa ya; o were nkpu ya niile kpucha ya, were kwa compas ya kapụta ihe yiri mmadụ. Ụzụ nke náakpụ ihe ọlụ ewere kwa icheku ahụ, were kwa otùtù ya niile dozie otù ihe mkpuchi, náeji kwa ogweaka ya dị ike lụọ ya. N'ụzọ dị otú a ka o si akpụ chi, ọ naada kpu iru n'ala n'iru ya, náakpọ kwa isiala, n'ekpere ya, sị, "Naputam; n'ihi na chim ka i bu" (Aisaia 44:12-17).

Nime okwu a, Onyenwe anyị naegosi ịbụ iheefu (maọbụ abaghị urù), nke arụsị apịrịapị bụ; otú o si bụrụ ihe anaapụghị imeeme na ha gaenwe ike ime ihe ọ bụla! Ha apụghị ịhụụzọ, ha apụghị ịnụihe, ha apụghị kwa ijégharịejèghari, ma otú ọdị ụmụmmadụ ndị náenweghị ezi uche n'ihe nke mmụọ nọ kwa taa náada, náakpọ isiala n'ekperearụsị ndịa, náechere nnapụta ha n'oge agha site n'aka arụsị ndịa apịrịapị. Israel bụ mba nke achọrọ ka ọ dị iche site ná mba niile dị n'ụwa.

**Okpukpé Ụgha Dị icheiche**

Site n'ọnwụnwa mbụ nime ubi ahụ agbaraogige, mmadụ amụtawo ijéso chi ọzọ dịicheiche. N'ụbọchị nke anyị a, òtù nke ifè mmụọ ọjọọ dị icheiche òfùfè na òtù nke okpukpé ụgha dịicheiche ewerewo ọnọdụ nke ifè arụsị apịrịapị òfùfè. Ekwensu naemeghepụ ọtụtụ ụzọ nke òtù okpukpé ọhụụ dịicheiche. Enwere ọtụtụ ndị nke náagbasosi ụzọ dị otú a ike n'etiti ndị ahụ nke "afuliworo elu," ndị ahụ obi ha dị n'ịchọ náání àkụ̀ nke ụwa, na ndị ahụ náahụ́ ụwa nke a dịka ihe náání iwu nke òkìkè naachị. Ekwensu naewere ụfọdụ eziokwu kpuchie ọtụtụ okwuụgha naegosi kwa ha n'anya nke ụmụmmadụ ndị jikere ịnara ihe ọ bụla iji mee ka akọnauche ha nwee izuike si kwa otú a kpuchie ndụ nke mmehie.

Nganga na mmadụ ifuli onwe ya elu bụ ihe abụọ dị óké egwù nke etinyere n'obi mmadụ daraada. Ụmụmmadụ naachọ ịdịukwu, dịka ekwensu naachọ ibuli "oche-eze" ha n'elu karịa kpakpando niile maọbụ ocheeze nke Chineke.

**Otù Idide**

Onyenwe anyị kpọrọ Israel idide, bụ nke eledara anya, bụrụ kwa ihe ụmụmmadụ náazọgide ụkwụ n'elu ya. Jisọs onweYa bụ Onye eledaraanya na Onye ụmụmmadụ jụkwara. Ma Onyenwe anyị kwuru sị na Ya gaeme ka Israel ghọọ ihemkpọre eji azọcha ọkà, bụ ihe nkọ dị ọhụụ nwere ezé, na Ya gaazọcha ugwu zọpịa ha, wee mee kwa ugwu ntà ka ha dịka igbogboọkà. Oge naabịa mgbe Onyenwe anyị gaeme ka ikpé dị n'usoro, mee kwa ka eziomume guzozie. Agaachọ ha ma agaghị achọta ha bụ́ ndị ha na Israel naeseokwu, ha "gādi ka ihe nābugh ihe, na dika ihe-efu" bụ́ ndị náebuso Israel agha.

Chineke naekwupụta na Ya onweYa bụ onye mbụ, Ya bụ kwa onye ikpeazụ, na ọ dịghị kwa Onyenzọpụta ọ bụla ọzọ dị ma ewezuga Ya.

**Chineke Nke Ike**

Chineke ukwu nke Jekọb bụ Chineke nke ike. O kwuruokwu uwa nke a wee dịrị. O debere anyanwụ, ọnwa na kpakpando n'ọnọdụ ha. O wee sị, "Ka ìhè di," ìhè wee dị. Ọ kpụrụ mmadụ site n'ájá sitere n'ala, wee kuuume ndụ nye n'oghere imi ya abụọ. Chineke naeme ihe ịrịbaàmà, Chineke nke ike! Ọ dị nnọọ óké elu na nso nke mere na O jupụtara ụwa niile, ma dị kwa nwayọ na umeala n'obi nke mere na Ọ naanụ ákwá niile nke ndị nwere obinsogbu; Chineke nke dị ukwu nke ukwuu, nke mere na Ọ naejide mmiri nke osimiri n'ọbụaka Ya, Onye tụworo ugwu ntà niile n'ihe ọ̀tụ̀tụ̀; Chineke nke dị ukwu nke mere anaagụ mba niile n'otù ntụmmiri ná atụpụta n'itemmiri! Náagbanyeghị ihe ndịa niile mmadụ èkèrèèkè na ebili wee kwulie Chineke, Onyeòkìkè. Ma Chineke n'ịdị ebube na n'ịdị ike Ya, naecheta kwa mmadụ bụ ogbenye náenweghị ike inyere onwe ya aka. Chineke wepụtara otù Onyinye (maọbu akụ̀ ókéọnụ) nke kachasị mma sitere n'Eluigwe, wee zite Ya n'ụwa ịnapụta ụwa site n'ọkụmmụọ na site n'agbụ nke ịbụ orù mmehie ba n'ọnọdụ inweonwe nke ebube nke ụmụ Chineke. Mgbanwe dị añaa bụ nke a! Nnwogha dị kwa añaa bụ nke a! Ọ bụ Chineke ukwu nke Jekọb bụ onye mere ka nke a dị irè.

Ọ tọrọ Jehova utọ ịzọpịa Ọkpara Ya ka O wee mara otú Ọ gaesi lekọta ndị etihịaworo arụ. Ọ gaghị akpaji "ami apiara apia" ọ gaghị emenyụ kwa "ogho ọriọna nēnwu inyogho inyogho," ma n'eziokwu ka ọ gaeme ka ikpé pụta.

**Enweghị Ịdambàn'obi**

Ọ bụ ezie na eledara Kraist anya jụ kwa Ya, bụrụ kwa otù nwoke nwere ọtụtụ ihemgbu, nke rukwara uju, ma Okwu Chineke naagwa anyị na Ọ gaghị adaada maọbụ daambà n'obi rue mgbe Ọ gaedoworị ikpé n'ụwa.

Oziọma nke Jisọs Kraist agaghị etufu ike ya maọlị. Site n'ụbọchị mbụ amalitere náekwusa Okwu a wee rue taa, o mewo ka anya niile kpuruisi nime mmụọ hụ ụzọ, o meghewo kwa ntị chiriechi nime mmụọ. O wetawo ìhè na inwere onweonye nye ọtụtụ nde mmadụ anaapụghị ịgụtaọnụ, ọtụtụ nde mmadụ ọzọ naenwe kwa ohere iketa òkè n'ike nke ọgwụgwọ ya.

"(Mgbe) ndị ewedara n'ala na umu-ogbenye nāchọ miri ma ọ digh nke dinu, ire-ha kpọsiri nku n'ihi akpiri kpọrọ nku; Mu onwem bú JEHOVA, gāza ha, Mu, bu Chineke Israel. M'gagh-arapu ha." Ọ

gaemeghe osimiri dịịcheiche n’elu ugwu dịicheiche, n’elu na n’isiiyi dịicheiche n’etiti ndagwuruugwu dị icheiche.

Chineke naenwe ụzọ pụrụ iche nke O si eduru ụmụmmadụ rue ebe ha gaanụ eziokwu ahụ. O nwere ike meghe isiiyi n’etiti ha maọbụ O duru ha gafe ọzara wee rue ebe otù isiiyi nke ndụ dị. O duuru onozi Etiopia ahụ gafee ala ihe náadịghị wee mee ka Filip bịarue n’ala ahụ nke ihe náadịghị iwetara onye Etiopia ahụ mmiri ahụ nke náenye ndụ. Akụkọ usoro omen’ala mere ka anyị ghọta na onye Etiopia ahụ lara n’obodo ya wee nye aka n’ime ka mmiri a nke náenye ndụ dị n’obodo nke ya.

Devid Livingstone jere ijè ikwusa Okwu Chineke n’ala Afirika, mmiri nke ndụ ahụ wee rupụta n’ọtụtụ ebe dị icheiche n’ala ọchịchịrị nke oge ahụ n’ókèala ndị ojii. Chineke na achọ ndị Ọ gaesi n’aka ha mee ka Mmiri nke Ndụ a náerupụta. Ị̀ gaabụ onye Jisọs gaeji mee ihe? Site ná ndụ ị naebi, site n’ekpere gị, site n’ihe niile nke i nwere, ị pụrụ inye aka bulie Chineke ukwu nke Jekọb elu, na Ọkpara Ya, bụ Jisọs Kraist Onye nwụrụ ịgbapụta ụwa nke furuefu site ná mmehie, wee weghachị eziomume eziokwu na ịdịnsọ n’obi ụmụmmadụ.

**Ìhè Nye Ndị mbaọzọ**

Iheọ̀mụ̀mụ̀ a naagwa kwa anyị na Oziọma (Jisọs Kraist) gaabụ ìhè nke gaenwuru Ndịmbaọzọ. Ọ siri ndị Juu ike ikwere na onye ọ bụla nke n’esoghị n’okpukpé ha pụrụ ịbụ onye nketa nke ìhè nke Oziọma ahụ. Ọbụná ndị náesoụzọ Jisọs chọrọ izilaga nwanyị onye Sairofinisia ahụ. Ma Ndịmbaọzọ natara Oziọma ahụ, ewe nyakudo ha n’osisi vine ahụ. Nke a kekọtara mụ na gị na Chineke, ma ọ bụrụ na anyị kwere n’ụ̀kpụ̀rụ̀ nille nke Oziọma nke Jisọs tụpụtara.

Anyị pụrụ ịnara otù mkwà ahụ O nyere ndị Israel. “Atula egwù, gi ka M’noyere:elela anya gburugburu n’ujọ, n’ihi na Mu onwem bu Chineke-gi: M’gāgba gi ume; e, M’gēyere gi aka; e, M’gēji aka-nri nke ezi omumem kwagide gi.” Ndịa bụ okwuọnụ nke Chineke Ukwu nke Jekọb.

**AJỤJỤ DỊICHEICHE**

1 Òlee ihe bụ isiokwu nke dị n’etiti Chineke na mba niile?

2 Kọwaa otú esi eme arụsị apịrịapị na mgbe ochie. Òlee ihe nwere ike ịbụ arụsị n’ụbọchị taa?

3 Gịnị mere mba niile jiri jikọta onwe ha ọnụ?

4 Gịnị bụ mkwà Chineke nye ndị Israel?

5 Kwue ufọdụ nime amụma eburu banyere Jisọs.

6 Gịnị ka Chineke kwuru banyere iwere otuto Ya nye onye ọzọ ọ bụla?

7 Gịnị bụ mkwà Chineke kwuru nye ndịogbenye na ndị nọ námkpà?

8 Ewezuga Ndị Juu, òlee ndị ọzọ ekwere mkwà nke inye ha Oziọma Jisọs Kraist?